# EKPERE DỊKA EZIRI YA N'AKWỤKWỌ JEMES
## Jemes 5:13-18.
### IHE ỌMỤMỤ 468 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nānọ gidesinu ike n'ekpere-unu, nāmu-kwa-nu anya nime ya n'ikele-ekele" (Ndi Kọlọsi 4:2).**

**Ekpere**

Mgbe anyị na-agụ Baịbụl, Chineke na-agwa anyị okwu, N'ihi na ọ bụ Okwu Ya. Mgbe anyị n'ekpe ekpere, anyị na-agwa Chineke Okwu. Ọ bụ náánị site n'ekpere ka anyị pụrụ iji ruo Chineke nso n'ịgwa Ya mkpà anyị, ma ọ bụ mkpà ndịọzọ. Nime ekpere, anyị pụrụ itò na ikele Chineke n'ihi ebere Ya niile, ịhụn'anya Ya na ngọzi Ya nye mmadụ niile. O jikere ige anyị ntị mgbe dum. Apụrụ ikpere Chineke ekpere mgbe ọ bụla, ụtụtụ, ehiehie ma ọ bụ n'abalị. "Onye nēdebe gi, Ya atula òrù-ura. Le, Ọ digh-atu òrù-ura, Ọ digh-araru kwa ura, bu Onye nēdebe Israel" (Abù Ọma 121:3, 4).

Ọ na-amasị anyị ịnọ n'ikpere anyị mgbe anyị na-ekpe ekpere. Ma Chineke na-anụ ekpere eji obi niile kpee n'ebe ọ bụla anyị nọ, n'ụlọ ọlụ ma ọ bụ n'ụlọ akwụkwọ, ma ọ bụ mgbe anyị na-aga ijè n'amá. Ọtụtụ ndị nọ n'elu akwà ọrịa n'ekpe ekpere. Chineke nụrụ ekpere Pọl na Silas n'ụlọ mkpọrọ, nime abali, ka akpọsikwara ha ọtọsị ike n'ụkwụ. Chineke na-anụ ekpere ekpere n'olu dị ala, na-anụ kwa nke ekpepụtara ekpepụta. Ekpere nke na-erù Chineke ná ntị, nke ná anatakwa ọ̀zízá bụ nke ekpere n'okwukwe site n'obi nke ná-aza kwa sị, "ka eme uche Gi." "Unu echegbula onwe-unu n'ihe ọ bula, kama n'ihe nile ọ bula site n'ekpere na aririọ, ya na ekele menu ka Chineke mara ihe nile unu nāriọ" (Ndi Filipai 4:6).

**Oge Nke Ịhụju-anya**

Jemes sịrị "Ọ di Onye ọ bula n'etiti unu nāhuju anya? Ya kpe ekpere." Nhuju anya na-abụkarị ọrịa; mgbe ndịọzọ, ọ na-abụ mmekpa arụ, mnwapụta nke okwukwe, ebubo ugha, nsogbu, ma ọ bụ ihe ọ bụla nke pụrụ ịnwa nwa Chineke.

Ọgwụgwọ nke Jemes rọpụtara n'ihi ihe ndịa niile bụ ekpere. Jisọs bụ Onye ahụ na-ebupụ ibu arọ niile. Ọ bụrụ na ibu anyị adị aró karịa, ma ọ bụ na nsogbu anyị esie ike, ayị pụrụ ijekuru Ya n'ekpere, Ọ ga-egbo kwara anyị mkpa anyị dum.

**"Onye Nzọputa gēgbo nkpa nile,**
**Nke di aró ya na nke di mfe**
**Okwukwe anyi na-ezu okè nādigh ike anyị,**
**Nime Ya ka ike na idi ike dị."**

Ọ ga-abụ nnọọ ihe siri ike nye ndị ahụ n'ekweghị na Chineke, ndị ná-enweghị onye nkasịobi mgbe óké nsogbu na ihe iruuju batara ná ndụ ha. Ma lee ngọzi dịrị nwa Chineke inwe ike ikpe ekpere na inwe mmetụta na Chineke bụ ebe mgbaba ya na ike ya!

Ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọbịa ndị azụrụ n'ụlọ ndị nke Kraist, ndị akụziiri ikpe ekpere na ịdabere na Chineke bụ ndị nwere iruọma. Ịmata na ọ dịrịghị gị mkpà ibu nsogbu niile nke ụwa a náání gị bụ eziokwu nke ọtụtụ ndị ọkacha mara nke ụwa a n'apụghị ịchọpụta. "Nātukwasinu Ya nchegbu nile unu nēchegbu onwe-unu, n'ihi na ihe nile banyere unu nēmetu Ya n'obi" (1 Pita 5:7).

**Ịbụ Abù Ọma**

Jemes sịrị na mgbe anọ ná nhuju anya ka ekpee ekpere; mgbe enwekwara obiụtọ ka á bụọ abụ̀ ọma. Otù aka ahụ Pọl gbara ume ka á na-abụ̀ abụ̀: "Kwenu ka okwu Kraist were àkù-ya nile biri nime unu n'amam-ihe nile; werenu abù ọma na ukwe na abù nke Mọ Nsọ nēzirita onwe-unu ihe; nādurita kwa onwe-unu ọdu, nime amara enyere unu nābùnu abù nime obi-unu nye Chineke" (Ndi Kọlọsi 3:16).

Ndị ná-eji ụbọ na opi dị iche iche ná-abụ̀ abụ̀ na ndị ọbụ̀ abụ̀ ka enweworo n'oge Agba Ochie, ụfọdụ nime ha dịkwa ọtụtụ rinne. Otù akpọrọ aha na 1 Ihe Emere 25:7 nwere mmadụ 288. Otù ndị egwu ọzọ buru ibu, ndị nwere mmadụ 120 ná-afụ opi ike gburu opi na mgbe edoro Ụlọ ukwu Solomon nsọ: "Ọ we rue, mgbe ndị nāfu

opi na ndi ọbù-abù di ka otù onye, ime ka anu otù olu n'ito na ikele JEHOVA, mgbe ha were kwara opi na ájà, na ihe abù, na otuto eji to JEHOVA, welie olu-ha elu, si, N'ihi na Ọ di nma: n'ihi na rue mgbe ebigh-ebi ka ebere-Ya dị:na igwe-oji juputara ulo ahu, bu ulo JEHOVA, ndi-nchu-aja we ghara inwe ike iguzo ije ozi n'ihi igwe-oji ahu: n'ihi na ebube JEHOVA juputara ulo Chineke" (2 Ihe Emere 5:13, 14).

Anyị pụrụ ịhụ site n'okwu Chineke ngọzi niile anyị ga-enweta ma anyị bụọ abụ wee bukukwa Chineke abụ. Abụ nke nwa nke Chineke jiworo obi ya chụọ àjà na-abụ, ọtụtụ mgbe na-ewetara onye nọ ná mwuta nkasiobi, na ikpe ọmụma nye onye mmehie, nke ná-eme kwa ya ka ọ chọọ Chineke. Ịbụ abụ bụ ụzọ dị ebube iji too Onyenweanyị.

**Mgbe Arụ Ná-adịghị Ike**

Jemes gbakwara ndị ọrịa ume ka ha ná-ekpe ekpere. N'ụbọchị taa ọtụtụ ihe dị iche iche ka á na-agwa onye ọrịa ka o mee: ọgwụ dị iche iche, mkpụrụ ọgwụ, ịwa afọ na ihe ndịọzọ dị iche iche. Jemes na-akụzi na n'ọnọdụ ihe ndịa niile na onye ahụ ga-akpọ ndị okenye, ma ọ bụ ndị ụkọ Chineke, nke nzukọ Kraist. Ọ sị na ha ga-ete onye ahụ ná-arịa ọrịa mmanụ olive kpe kwa ekpere n'isi ya, ekpere nke okwukwe ahụ ga-azọpụta kwa onye ahụ arụ ná-adịghị ike, Onyenweanyị ga-eme kwa ka o bilie. Ọ sịrị na ọ bụrụ na onye ahụ arụ ná-adịghị ike bu onye mmehie, Chineke ga-agbagha kwara ya mmehie ya.

Ọ bụghị ndị mmehie niile nátara ọgwụgwọ ka á na-agbaghara mmehie ha, kama ọ bụrụ na ha ekwupụta mmehie niile ha dịka Jemes kwuru, Onyenweanyị ga-agbaghara n'ezie. Ekpere nke ndị eziomume dị ike nke ukwu n'ịlụsi ọlụ ike ya, kama onye ahụ á na-ekpere ekpere aghaghị inwerị okwukwe.

Okwesịghị ịbụ ihe siri ike nye onye nke Kraist ịtụkwasị Chineke obi n'ihi ọgwụgwọ nke arụ ya, n'ihi na ọ matara na okwu Chineke asịwo kwa "Mu onwem bu JEHOVA Nke nēme ka aru di gi nma" (Ọpupu 15:26).

**Mee ka Ụzọ Okwukwe Ghere Oghe**

Jemes matara na tupu mmadụ anata ọ̀zịzá ekpere ya na ọ ghaghị ịbụ onye ná-enweghị ihe ịta ụta ọ bụla n'iru Chineke na n'iru mmadụ. Ya mere ọ sịrị anyị na-ekwupụta mmehie niile anyị gwarịta ibe anyị. Jisọs kuzikwara anyị: "Ọ buru na i nēche onyinye-gi n'iru Chineke n'ebe-ichụ-aja, i we cheta n'ebe ahu na nwa-nne-gi nwere ihe megide gi, rapu onyinye-gi n'ebe ahu n'iru ebe-ichu-aja, laba, buru uzọ me ka gi na nwanne-gi di n'udo, mgbe ahu bia kwa che onyinye-gi" (Matiu 5:23, 24).

Ọ bụrụ na gị na ndị enyi gị ma ọ bụ èzínaụlọ gị na-ese okwu, ọbụná dị na o siteghi gị n'aka, ga rịọ mgbaghara, gaghachi kpee ekpere, ị ga-ahụ́ ka Chineke ga-esi gọzi gị.

**Ekpere Nke Elaija**

Elaija bụ ihe ilereanya pụrụ iche nke onye pụrụ ikpe ekpere wee nata kwa ọ̀zịzá. Elaija biri ndụ mgbe enwere óké nsogbu, mmehie na ịdaghachi azụ n'akụkụ niile. Mgbe ụfọdụ ọ na-adị ya ka ọ bụ náání ya bụ onye fọdụrụ ná-efé Chineke. N'otù mgbe, o guzogidere ihe ra ka 850 ndị amụma Beal na ndị amụma ụgha. Ndị ahụ ra ka 850 n'ọnụ ọgụgụ kpesiri ekpere ike kpee kwa ogologo oge nye chi ha niile ma ọ dịghị ọ̀zịzá ha natara. Mgbe ọ bụ oge nke Elaija ikpe ekpere nke ya, o doziri ebe ịchụ àjà nsure ọkụ ahụ dịka Chineke na-achọ. O buru ụzọ mee ihe niile ka ọ dị n'usoro, o wee pụta kpee ekpere dị mkpirisi, ọkụ wee site n'Eluigwe daa n'ọ̀zịzá, wee ripịa àjà nsure ọkụ ahụ niile.

O nyere Chineke nsọpụrụ, ndị ahụ daghachikwara azụ wee kpuo iru ha n'ala, sị "JEHOVA, Ya onwe-ya bu Chineke; JEHOVA, Ya onwe-ya bu Chineke" (1 Ndị Eze 18:39). Ndị mmehie na ndị daghachiworo azụ ga-enwe amamikpé banyere mmehie ha ma ọ bụrụ na enwere ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'ekpere ha kpere.

Elaija ahụwo otú ndị Israel siri daghachi azụ site n'ebe Chineke nọ. O kpesiwo kwa ekpere ike ka Chineke ghara izite mmiri òzùzò arọ atọ na ọnwa isii. Nke a butere ahụhụ na agụụ. Ma ọ kaara Elaija mma ịhụ́ ndị ahụ ka ha na-ata ahụhụ site na ụnwụ, nke nwere ike ime ha ka ha chègharịa ma chọ kwa Chineke, karịa ịna aga n'iru ná mmehie ha, bụrụ kwa ndị ga-ala n'iyi, ịta ahụhụ ruo mgbe niile ebighị ebi. Mmiri ezoghi kwa ọzọ ruo mgbe Elaija kpere ekpere ugbò asaa Chineke wee zite mmiri òzùzò.

Ndị nke Chineke adịghị achọ ikpere onye ọ bụla ekpere ka o nwe nsogbu, ma ọtụtụ mgbe á na-edu onye ahụ ikpe ekpere, "Onye-nwe-ayi, Gi Onwe-Gi matara ihe ka nma; ihe ọ bula ọ gēwe izọputa nkpuru-obi, zidata ihe ọ bula puru ime ka ha biakute Chineke."

Ndị ụfọdụ n'agba àmà n'ekele kwa Chineke n'ihi nsogbu maọbụ ọrịa nke Ọ rapụrụ ka ọ dakwasị ha. O mere ha ka ha chigharikwute Chineke, ha wee chègharịa wee nwe kwa nzọpụta. Ọtụtụ n'ekwu sị na mgbe ihe naagara ha nkeọma, ha akpachapụghị anya, ha enweghị kwa obiekele, ha lefukwara anya ịchọ Onyenweanyị.

**Ekpere Nke Jisọs**

Ụfọdụ ndị na-ekwupụta na ha bụ ndị Kraist adịghị enwe mmetụta na ọ dị mkpà iwepụta oge ikpe ekpere. Ụdị onye dị otú ahụ esighị ike n'okwukwe, mgbe mnwapụta na ọnwụnwa bịara, ha na-emeri ya ná-etufụghị oge. Nime ọrịa, ọ na-achọpụta na ọ pụghị ịtụkwasị Chineke obi.

Jisọs, bụ Ọkpara Chineke apụghị ịnọ ná-ekpeghị ekpere. Okwu ahụ na-agwa anyị banyere ọtụtụ abalị Ọ nọrọrị n'ekpere. O kpekwara ekpere siri ike karịa n'Ogige ahụ tupu ha ejide Ya, na ọsụsọ Ya dịka okpụrụkpụ ọbara. N'ekpere Ya O tiri mkpu sị "Otú ọ di, ka eme ihe Gi onwe-gi nāchọ, ọ bugh ihe Mu onwem nāchọ."

Ọ bụrụ na ọ dịrị Jisọs mkpà ikpe ekpere, n'ezie anyị kwesịrị ịhụ mkpà ekpere dị. Ekwuwo ya rị na ekpere bụ ndụ nye onye nke Kraist dịka iku ume bụrụ arụ mmadụ. Arụ mmadụ na-anwụ ma akwụsị iku ume. Ọ bụrụ na onye nke Kraist adịghị ekpe ekpere, ọ na-anwụ ọnwụ nke ime mmụọ, wee ghọ kwa onye mmehie, "ndị nwuru n'ebe njehie na nmehie dị."

**Mkpà Ekpere Dị**

Daniel kpere ekpere ugbò atọ n'ụbọchị o wee nye ya amara ịbànye n'olulu ọdụm. Moses kpere ekpere ewee gwọọ ekpenta nwanne ya, ọrịa ndị ụwa na-achọpụtabeghị ọgwụgwọ ya. Elaisha kpere ekpere ewee mee ka nwata nwoke nwanyị Shunem ahụ si n'ọnwụ bilie. Abraham kpere ekpere ewee mee ka Lọt gbanarị mgbe esurere Sọdọm na Gọmọra ọkụ na brimstone. Mmụọ ozi tọpụrụ Pita n'agbụ n'ụlọ mkpọrọ wee dupụta ya, mgbe ndị nsọ nọ ná-ekpe ekpere.

Jisọs kpere ekpere n'elu ogbe achịcha ise na azụ abụọ ahụ; amụbara ha ka ha zụọ puku mmadụ ise. Mgbe Jisọs laghachisịrị n'Eluigwe, otù narị mmadụ na iri abụọ nọkọtara ọnụ n'otù ebe wee kpee ekpere ụbọchị iri. Chineke wụkwasịrị ha Mmụọ Nsọ, ha wee bụrụ ndị mbụ natara ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ. Mgbe Sọl kpusiri isi n'okporo ụzọ Damaskọs, edugara ya n'ụlọ Simọn, onye ná-akwa akpụkpọ. O bikwasịrị Sọl aka kpekwara ya ekpere, o we hụ ụzọ. Onyenweanyị gwara Ananaias ka o jee n'ama anaakpọ Ámá Eguzoziri ka o kpere Pọl ekpere.

Enwekwara ọtụtụ ọ̀zízá ekpere ọzọ n'Okwu Chineke. Chineke ka na aza ekpere n'etiti ndị Ya, á na-azọpụtakwa ọtụtụ ndị á na-agwọ kwa ọrịa ha. Ka anyị kwere Jisọs ka Ọ na-asị, "Ọ buru na unu gāriọm ihe ọ bula n'aham, nke ahu ka M'gēme" (Jọn 14:14).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị bụ nhụju anya?
2. Gịnị ka Jemes chepụtara anyị ime mgbe obi dị anyị ụtọ?
3. Òlee ụdị abụ̀ na ịbụ abụ̀ ná-eweta ngọzi Chineke?
4. Gịnị ka Jemes sịrị anyị mee mgbe arụ ná-adịghị anyị ike?
5. Gịnị mere Jemes jiri rụtụ Elaija aka n'ihe ọmụ̀mụ̀ a?
6. Kwuo ọtụtụ ọ̀zízá ekpere Elaija natara?
7. Kwuo ihe gbasara ndụ ekpere nke Jisọs.
8. Ògologo ra añaa ka ha kpere ekpere tupu ha anata ọwụwụ mmiri ahụ n'Ụbọchị Pentikọst?
9. Òlee mkpà ekpere dị nye onye nke Kraist?